# NNYOCHA NSOKWUNYE N'OLU MBANAASAA

**Felista Chidi Akidi**
Federal University Of Technology, Owerri
Email: felistachidi@gmail.com

**Maria U. Anumudu**
Department of Linguistics and Nigeria Languages
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri
Email: marianumudu@gmail.com

**Andrew Chukwuemeka Mgborogwu**
Federal University of Technology, Owerri
Email: andymgborogwu@gmail.com

**NA**

**RoseMary Chioma Ayozie**
Federal University of Technology, Owerri
Email:ayoziechioma2014@gmail.com

## Ụmịedemede

Nsokwunye so n'otu isiokwu pụtara ihe n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị odee n'otu ụzọ ma ọ bụ nke ozo arụtụula aka na nsokwunye. Nchọcha a chọrọ itinyekwu aka nnyochaa nsokwunye n'Igbo: ihe nsokwunye pụtara, ọmụmaatụ nsokwunye dị iche iche, ọnọdụ ya n'ahịrịokwu, agwa nsokwunye na-akpa, mwepụ nsokwunye n'ahịrịokwu, nkejiasụsụ ndị ha na nsokwunye na-agakọ, ụdịdị nsokwunye e nwere, dg. E ji ileru anya nke ọma n'ụdị nsokwunye ndị Mbanaasa na-etinye n'ahịrịokwu mgbe ha na-ekwu okwu wee nweta ngwa e ji tụchaa nchọcha a. Nchọcha a bụ nke nkọwa. A chọpụtara na nsokwunye abụghị ngwaa; ọnọdụ nsokwunye na-egosi ụdị nsokwunye ọ bụ; ahịrịokwu anaghị emebi ma e wepụ nsokwunye; nsokwunye na-agbatị nghọta ahịrịokwu dg. Na mmechi, nchọcha a chọpụtara na nsokwunye dị mkpa n'asụsụ Igbo n'ihina ọ na-eme ka echiche ahịrịokwu pụta ihe nkeọma ma mekwaa ka asụsụ Igbo na-atọ ụtọ. A tụrụ alo ka e mekwuo nchọcha gbasara nsokwụnye n'olundị dị iche iche.

## Mkpọlite

Nsokwunye so n'otu isiokwu pụtara ihe n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nsokwunye abụghị ngwaa mana ọ na-enye aka ime ka nkebiokwu maọbụ ahịrịokwu gosi ntinyekwu maọbụ mgbatị echiche, ịdọ aka na ntị, ikwusi ihe ike, nkwugharị ejighị n'aka dg. Olundị dị iche iche n'ala Igbo nwere otu nsokwunye ma ọ bụ karịa apụtachaghị ihe nke ọma n'Igbo izugbe. N'ihi ya, nchọcha a ga-esi n'olundị Mbanaasaa weta ọmụmaatụ n'ihi ọ bụ n'olundị dị iche iche dị n'asụsụ Igbo mebere Igbo izugbe. Olundị niile dị n'asụsụ Igbo bụcha asụsụ Igbo. Mbanaasaa bụ obodo asaa a na-ahụta dị ka ụmụnne. Obodo asaa a mebere ọchịchị ime obodo Ideatọ Nọt nke dị na Steeti Imo. Obodo ndị a

bụ: Akọkwa, Akpụlụ, Obodoukwu, Osina, Ụmụalaọma, Uruala na Uzi. Mbanaasaa bụ otu aha jikọrọ obodo ndị a n'agbanyeghị na e nweela ọtụtụ ogbe e si n'ime ha kewapụta ka ha bụrụ obodo kwụụrụ onwe ha. Nwaozuzu (2008) kpọrọ Mbanaasaa Inland Igbo.

Ndị odee dị ka Emenanjo (1978), Emenanjo (1982), Emenanjo (1996), Ndimele (2003), Emenanjo, Okolie na Ekwe (2004), Okafo na Ewelukwa (2008), Egenti (2011) na Nweze (2011) rụtụrụ aka n'otu ụzọ ma ọ bụ nke ọzọ n'ihe gbasara nsokwunye n'Igbo. Nkọwa na omụmaatụ ha yiri n'otu ụzọ ma dị iche iche na nke ọzọ. O' Grady na Guzman (2009) rụtụkwara aka na nsokwụnye n'asụsụ Bekee.

Nchọcha a lebara anya n'ihe nsokwunye pụtara, ọnọdụ ya n'usorokwu ma ọ bụ ahịrịokwu, ọdịdị nsokwunye, ụdị nsokwunye e nwere, nkejiasụsụ ya na nsokwunye nwere ike ịgakọ na ụdị agwa nsokwunye na-akpa n'asụsụ Igbo. N'ihi a na-ahụ nsokwunye n'akụkụ asụsụ dị iche iche dịka usorookwu, nghọtaokwu, ndokọokwu, dg., a matara na nsokwunye ọ bụla na-etinyekwu nghọta na mkpụrụokwu ma ọ bụ ndokọokwu.

## Ihe nsokwunye pụtara n'ụtọasụsụ Igbo

Emenanjo, Okolie na Ekwe (2004) kọwara na nsokwunye bụ irighiri okwu nwere ike iso aha ma ọ bụ ngwaa. Na nkọwa ha, ọ pụtara na ọ bụ sọ ngwaa ma ọ bụ aha ka nsokwunye nwere ike iso. Nkọwa Emenanjo, Okolie na Ekwe na-egosi na nsokwunye enweghị ike iso nkejiasụsụ ndị ọzọ dị ka: nnọchiaha, njụajụjụ, nrụaka, mbuụzọ, nkọwaaha, nkwuwa, dg. Nchọcha a ga-achọpụta ma nke a ọ bụ eziokwu. Iji kwughasịa nke a Emenanjo (1996) kwuru na a na-ahụ nsokwunye ebe ọ na-eso nkejiasụsụ ndị ọzọ, nsonaazụ na-eso sọ ngwaa. Nkọwa a gosịrị na ọ bụghị sọ aha na ngwaa ka nsokwunye na-eso. Nsokwunye nwere ike iso nkejiasụsụ ndị ọzọ.  Nchọcha a ga-achọpụta ma e nwere nkejiasụsụ ọzọ nsokwunye nwere ike iso ma e wepụ aha na ngwaa.

Ezeomeke (2004:101) gosịrị na nsokwunye dị ka mgbakwunye; mana Ezeomeke gara n'ihu kwuo na o nwere ụdị agwa nsokwunye na-akpa mere ya jiri wepụ ya n'ime mgbakwunye. Ezeomeke kwukwara na agwa nsokwunye na-akpa ya bụ Ezeomeke ji wepụ nsokwunye na mgbakwunye bụ na mgbe ọ bụla ọ na-eso okwu ọ bụla abụghị ngwaa ma ọ bụ isingwaa dị ka mkpọaha, ọ na-anọpụ iche, kwụụrụ onwe ya. Mgbakwunye na-eso ma ọ bụ atapado sọ na ngwaa. E nweghị nkejiasụsụ ọzọ ya na mgbakwunye na-agakọ. Mana nsokwunye nwere ike iso nkejiasụsụ ọ bụla. Nsokwunye nọrọ n'ihu ngwaa a na-edokọ ya na ngwaa ahụ ọnụ. Nke a gosiri na nsokwunye nwere ike ịnọ n'ihu etiti ma ọ bụ azụ usorookwu. Okafọ na Ewelukwa (2008:180) kọwara na nsokwunye bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo. Ha kwuru na ọ bụ mkpụrụokwu nwere ike ịdabanye n'ebe ọ bụla n'ahịrịokwu iji mee ka ahịrịokwu ahụ nwewanye nghọta. Ya bụ, nsokwunye nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu iji nye nghọta a chọrọ.

Nsokwunye dị ka mkpụrụasụsụ na-arụ ọrụ ka mkpụrụokwu mana ọ naghị akwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụokwu nwere nghọta dị ka mkpụrụokwu si enwe nghọta ma ọ kwụrụ sọ ya. Ọ na-eji mkpụrụokwu nọ ya n'ihụ, etiti, ma ọ bụ azụ nke ọ dabere were akwado onwe ya; wee nwee ike wepụta nghọta a tụrụ anya; ma ọ bụ gbatịkwuo nghọta. Nke a pụtara na nsokwunye bụ irighiri okwu nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu tinyekwuo nghọta n'ahịrịokwu ahụ. E wepụ nsokwunye na mkpụrụokwu ma ọ bụ n'ahịrịokwu, ahịrịokwu ma ọ bụ mkpụrụokwụ ahụ ga-ezu oke, a ga-enwekwa nghọta. Iji kwado nke a, Nweze (2011) kwuru na e wepụ nsokwunye n'ebe ọ nọ, ahịrịokwu anaghị emebi. Nsokwunye yiri mkpụrụokwu mana ọ naghị akwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụokwu si akwụ wee nwee nghọta pụtara ihe. Nsokwunye na-adabere n'okwu nọdebere ya wee wepụta nghọta a chọrọ. Nsokwunye bụ mkpụrụasụsụ n'ihina ọ naghị enwe nghọta ma ọ kwụrụ sọ n'onwe ya.  Na nsokwunye anaghị akwụrụ onwe ya apụtaghị na anaghị ede sọ ya n'ime

ahịriokwu kama, a kpọọ sọ ya n'enweghị okwu ọzọ dị ya n'ihu, etiti ma ọ bụ azụ, ọ gaghị enwe nghọta.

Nsokwunye (*clitics*) bụ okwu ndị Griik pụtara "ndabe". Nke a gosịrị na nkọwa niile e nyere maka nsokwunye gbadoro ụkwụ na ọ naghị akwụrụ onwe ya, dabara adaba. Nsokwunye na-adabere n'okwu ọzọ (nke dị ya n'ihu, etiti ma ọ bụ azụ) wee wepụta nghọta a chọrọ. Okwu nsokwunye dabere na ya na-enye ya nghọta. Ọ bụrụ na ọ dabereghị n'okwu, ọ gaghị enwe nghọta.

**Nsokwụnye dị iche iche n'ụtọasụsụIgbo**

E nwere nsokwunye dị iche iche n'asụsụ Igbo; ma n'olundị ma n'Igbo izugbe. Ọmụmaatụ nsokwunye gụnyere: cha, dụ, fụ, fụụ, kwa, ri, zi, kwu, kwa, kaa du, nnọọ, nu, ṅụ, si, kwanụ, godu, hụ, tu, tọ, ga, sọ, te, ta, kwuba, tete, tọọ, tọrọ kene, ha, kọ, ohoo dg. Ọtụtụ ọmụmaatụ ndị a sitere n'olundị Mbanaasaa. Ọmụmaatụ ndị a abụghị ngwaa. Ngosipụta ha n'ahịrịokwu ga-egosi na ha abụghị ngwaa ma ọ bụ nsonaazụ. Emenanjo (1996), kwuru na nsokwunye adịghị ọtụtụ n'Igbo, ha erughi iri na asatọ; nsonaazụ e nwere ka ha nke ukwuu. Nsokwunye kara dị ụbara n'olundị n'ihina olundị dị iche iche nwere nsokwunye ha ji ekwurịta okwu

**Iji ahịrịokwu dị iche iche gosipụta ọmụmaatụnsokwunye n'Igbo**

Lee ọmụmaatụ ahịrịokwu ndị a nsokwunye dị. Ọdịdị nsokwunye ka a kara ihe n'okpuru:

Ihe o ji dị mkpa igosipụta ha n'ahịrịokwu bụ na ọtụtụ nsokwunye e nwere yiri ngwaa ma e dee ha edee.

1. Akwụkwọ iri <u>cha</u> gbara ọkụ.
2. Gịnị <u>du</u> bụ nke a?
3. Azụka <u>fụ</u> nuru ihe i kwuru.
4. Nye<u>ga</u> m mma.
5. Tinye<u>kwa</u> ya ji.
6. Ị nụrụ<u>ri</u> ihe m kwuru.
7. I kwuru ya <u>ri</u> ma amaghị m.
8. Ngị<u>kwu</u> na-eme nke a?
9. I gbuo ya <u>fụụ</u> obi dị gị mma.
10. Ụgwọ ego <u>nnọọ</u> ka m ji gị?
11. Ji <u>nnọọ</u> bụ ihe i riri taa ya ju gị?
12. I <u>gatoro</u> nku e nweghi onye ma?
13. Biko <u>nu</u> hapụ ya.
14. Kedụ <u>si</u> ihe ndị ọ ga-eweta?
15. Onye <u>zi</u> mere ihe a?
16. Gị <u>nwa</u> bi ebe a?
17. Kee <u>kwanụ</u> maka Ijeọma?
18. Bia<u>godu</u> echi ka anyi mara etu ọ ga-adị
19. Nye ya <u>hụ</u> tupu m bia
20. Weta<u>tụ</u> ube ma ị na-abịa
21. Ya bu ọ <u>tọ</u> gị na-eme ihe a?
22. Akwụ ndị a <u>ga</u> bụ nke m
23. Ugochi <u>te</u> gara ubi
24. Achọrọ m ịsị gị nye m efere <u>sọọ</u>
25. Bịa<u>kete</u> nso ka m nụ ihe ị na-ekwu
26. Ede <u>nụnta</u> ka o riri ọzọ
27. Chika anwụ<u>tọọ</u>la ma ha amaghị

28. Wezuga nke ahụ n'akụkụ
29. Ndị a ha bụ nke ya
30. Abịakwaghị m ebe a igwu egwu
31. Ọ bụ tọkwa efe gi ka ọ bụ. Ihe ọ sọrọ gị mee
32. Ritọpụ nri ahụ
33. Mekwuba garị ka ha rie
34. Nyego m ube ahụ

Ahịrịokwu ndị a bụ ahịrịokwu e ji gosipụta ụfọdụ nsokwunye n'Igbo. Nsokwunye ndị e ji maa atụ ụfọdụ dị mkpụrụedemede abụọ, ụfọdụ dị atọ, ma ọ bụ karịa. Mana ndị dị abụọ ka n'ọnụọgụ. Ha bụ nkejiokwu mgbochiume na ụdaume (mu). Nsokwunye ụfọdụ ndị a gunyere: cha, dụ, du, fu, fụ, ga, kwa, kwu, nwa, zi, si, dg. Dị ka anyị matara na mkpụrụedemede dị ka ch, kw, nw, dg. bụ otu mkpụrụedemede n'Igbo n'otu n'otu. Ọmụmaatụ nsokwunye ndị anyị nyere ebe a nwere otu nkeji (mu) n'otu n'otu.

Nsokwunye dị ka: kwanụ, godu, kete, tọkwa na kwuba e ji mee ọmụmaatụ nwere nkeji abụọ (mu, mu) n'otu n'otu. Nsokwunye ndị nwere nkeji abụọ ebuchaghị ibu. Nsokwunye ndị nwere otu nkeji ka baa ụba n'Igbo. Ọzọkwa, na nsokwunye ndị a, ụfọdụ n'ime ha bụ nsokwunye abụọ nwere otu nkeji otu nkeji bịakọtara ọnụ iji wepụtawaga nghọta a chọrọ. Ịmaatụ: kwanụ → kwa + nụ. E nwere ike ịsị,'Kedụ kwa maka Ijeọma?' ma ọ bụ,'Kedụ nụ maka Ijeọma?'. Ọ bụrụ na a sị,'Kedụ kwanụ maka Ijeọma?' nghọta a chọrọ pụtara nke ọma. N'otu aka ahụ, n'ọmụmaatụ: godu → go + du, kete → ke + te, tọkwa → tọ + kwa, kwụba → kwu + ba, bụcha nsokwunye otu nkeji, otu nkeji bịakọtara ọnụ bịazie bụrụ nsokwunye nkeji abụọ. Ha bịakọtara ọnụ ka ha wee nye nghọta a chọrọ. Kene bụ nsokwunye ọzọ nwere nkeji abụọ mana ọ bụghị nsokwunye abụọ bịakọtara ọnụ.

Nsokwunye dị ka: sọọ, tọọ, haa dg dịcha nkeji abụọ mana nkeji abụọ ndị a ha dị bụ nkeji mgbochiume, ụdaume na ụdaume → mu + u (mgbochiume na ụdaume) + u (ụdaume). Nsokwunye nnọọ nwere nkejiokwu atọ: my + mu + u → (myiriudaume, mgbochiume ụdaume na ụdaume). Nsokwunye nụnta nwere nkeji atọ kwa: mu + my + mu. Ihe ọ pụtara bụ na nsokwunye nwere ike ịdị n'ụdị nkejiokwu ọ bụla. O nwere ike ịdị otu nkeji, nkeji abụọ, nkeji atọ ma ọ bụ karịa. Mana n'ọmụmaatụ anyị, nsokwunye ndị dị otu nkeji kacha, nsokwunye ndị dị nkeji abụọ a na-esote.

**Ọnọdụ nsokwunye nwere ike ịnọ n'ahịrịokwu Igbo**

Ọnọdụ nsokwunye n'ahịrịokwubụ ebe nsokwunye nọ n'ahiriokwu Igbo. Ka anyị were ahịrịokwu dị iche iche wee chọpụta ọnọdụ nsokwunye n'ahịrịokwu Igbo. Ya bụ, ịmata ma nsokwunye o nwere ike ịnọ n'ihu, etiti ma ọ bụn'azụ ahịrịokwu.Iji mee nke a, e nwere ike iji otu nsokwunye nye ọmụmaatụ dị iche iche, abụọ ma ọ bụ karịa:

35a Ube ise cha ka i nyere m.
35b I riri ji na ede niile ahụ cha
Omumaatu 35a-35b gosịrị na nsokwunye cha nwere ike ịnọ n'ime ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu

36a Gịnị dụ ka m mere gị?
b Ọ bụ gịnị bụ ihe a dụ?
36a- 36b gosịrị na nsokwunye dụ nwere ike ịnọ n'ime ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu

37a Ndị a fụụ so eje?
b Aba ka ha je fụụ.
ch Fụụ ị hụrụ ha, Aba ka ha je.
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye fụụ nwere ike ịnọ n'ihu, n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.

38a Ọkpa ndị a gà bụ nke m.
b Ha niile bụ nke Uche gà.
Nke a gosịrị na nsokwunye gà nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
39 Nye gá m efere.
Gà nke a dị iche n'ọmụmaatụ nke e nyere n'elu. Gá nke a bụ sọ n'etiti ka o nwere ike ịnọ.
40a Nye kọ́ m mmiri.
b Weta mmiri kọ́.
Kó dị ka nsokwunye nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
41a Ụnụ bụ ndị nke m kọ̀.
b Ube ndị a kọ̀ bụ nke m.
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na kò nwere ike ịnọ na ngwụcha ma ọ bụ n'etiti ahịrịokwu.
42a Kwa Ugo ka m na-agwa?
b Onye kwa bịara ebe a?
ch Obi butere oche a kwa?
Ọmumaatụ ndị 42a – 42ch gosịrị na kwa nwere ike ịnọ n'ebe ọ bụla n'ahịrịokwu: n'ihu, na ngwụcha ma ọ bụ n'etiti.
43a Ngịri mere ihe a, a na-ajụ.
b Gị ka Ike na-agwarị.
Nke a gosiri na ri nwere ike ịnọ n'ime ahịrịokwu ma ọ bụ na nkwụsị ahịrịokwu
44a Uche kwu soro ri ji ahụ n'oshi?
b Akwụkwọ ahụ bụ nke m kwu
Ọmumaatụ 44a gosiri na nsokwunye kwu nwere ike ịnọ n'etiti ebe 44b nke gosịrị na kwu nwere ike ịnọ na ngwụcha ahịrịokwu.
45a Kaa biko haa nwa ahụ.
b Emela ihe a ị chọrọ ime kaa.
ch Ngozi kaa haa m aka.
Ọmụmaatụ 45a – ch na-egosi na nsokwunye kaa nwere ike ịnọ na mbido, ngwụcha ma ọ bụ n'etiti ahịrịokwu
46a Onye dụ ka ị ma ebe a?
b Onye ka ị bụ dụ?
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye dụ nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
47a Ihe a nnọọ ka i ji ekwu okwu
b Nke a ka ị ma nnọọ
ch. Nnọọ ihe a i kwuru ka i ji bịa
Ọmụmaatụ 47a – 47ch na-egosi na nnọọ nwere ike ịnọ n'etiti, ngwụcha ma ọ bụ na mbido ahịrịokwu.
48a Ohoo ihe m kwuru ka m kwuru
b Gị na ya nọrọ ohoo, gị na ya anoghị ohoo.
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye ohoo, nwere ike ibido ahịrịokwu ma ọ bụ mechie ya.
49a Bịanụ echi
b Bịa echi nụ
ch Ụnụ bịanụ were ya
Ọmụmaatụ 49a na & 49ch gosịrị na nsokwunye nụ nwere ike ịnọ n'etiti ebe 49b na-egosị na nụ nwekwara ike ịnọ na mmechi ahịrịokwu.
50a Ada, mee ya biko nụ

b Ada nụ ka m na-ayọ
51a Ha bụsi ụmụ ya
b Ike na Ibe bụsi ụmụ ya
ch Ha bụ ụmụ ya si
Ọmụmaatụ ndị a na-egosi na nsokwunye si nwere ike ịnọ n'etiti ahịrịokwu ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
52a Gịnị bụzi nke a?
b Gịnị bụ nke a zi?
ch Kedụ zi ihe nke a bụ?
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na zi nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu
53a Ya nwa mere ya, enweghị onye ọzọ.
b Ama m na ọ bụ gi nwa
Nsokwunye nwa nwere ike ịnọ n'etiti ahịrịokwu ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu. Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye nwa na-anọ n'ihu nnọchiaha.
Ya bụ nsokwunye nwa na nnọchiaha na-agakọ.
54a Ọ bụ gịnị kwanụ?
b Ọ bụ kwanụ gịnị?
ch Kwanu gị gbuo ya obi adị gị mma?
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye kwanụ nwere ike imechi ahịrịokwu, o nwere ike ịnọ n'etiti ahịrịokwu ma ọ bụ bido ahịrịokwu.
55a Biko godu bịa.
b Bịagodu echi.
ch Mgbe ị bịagodu.
Ọmụmaatụ 55a na 55b gosịrị na nsokwunye godu nwere ike ịnọ n'etiti ahịrịokwu, ebe 55ch na-egosi na godu nwere ike ịnọ na ngwụcha ahịrịokwu.
56a Bịahu echi.
b Echi gị bịahu.
Ọmụmaatụ 56a na-egosi na nsokwunye hu nwere ike ịnọ n'etiti ahịrịokwu, ebe 56b na-egosi na hu nwere ike ịnọ na ngwụcha ahịrịokwu. Ihe nke a pụtara bụ na nsokwunye hu nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
57 Nye ya hu.
58a Nyetụ m ego.
b Wetatụ mma.
59a Ọ bụ tọ gị na-eme ihe a.
b A sị na ọ bụ tọ Ugochi bịara ihe ahụ.
Ọmụmaatụ 58 na 59 na-egosi na nsokwunye tụ na tọ na-anọ sọ n'etiti ahịrịokwu.
60a Ụzọ te nọ mgbe o kwuru ya
b Ume na Ugo garate.
Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye te nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.
61a Sọọ, o bughi gi ka m na-agwa.
b Abịara m agbamnkwụ ahụ sọọ.
ch Agwaghị m gi sọọ na abịara m.
Ọmụmaatụ ndị a na-egosi na nsokwunye sọọ nwere ike ịnọ na mbido, etiti ma ọ bụ na mmechi ahịrịokwu.
62a Ezighị gị kiti gịnị, kee ka i si mara?
b Kiti gịnị bụ na e zighị gị?
ch Ị maghị kiti gịnị?

Ọmụmaatụ ndị a na-egosi na nsokwunye kịtị nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ mbido ahịrịokwu

63a Ihe nụnta o kwuru mechara mee.

b Ọ bụ ihe nụnta mere.

64a Agwatọọla m gị ihe a mbụ.

b Ike futọọla ma ị maghị.

ch Ewu ahụ anwụtọọla ma enweghị onye hụrụ ya.

65 Bịakete nso ka m gwa gị.

Ọmụmaatụ 63-65 na-egosi na nsokwunye nụnta, tọọla, na kete na-anọ sọ n'ime ma ọ bụ etiti ahịrịokwu

66a O kwuru ya ha m kụja.

b Ha I kwuru ya ụjọ bịara m.

67a Ndị a ha bụ ya.

b Mee ya etu a ha.

Ọmụmaatụ 66-67 na-egosi na nsokwunye ha nwere ike ịnọ n'ime, etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.

Nsokwunye ha nke 66 na nke 67 apụtaghị otu ihe. Nsokwunye 66 pụtara ozugbo, ebe 67 pụtara ihe ị na-ele anya mgbe a na-ekwu.

68 Ugo ka sịrị na ọ ga-egbu ya.

69a Ọ gaha abịa.

b Nri naha eghe.

70 Wezuga nke ahụ n'akụkụ.

Ọmụmaatụ 68-70 gosịrị na nsokwunye ka, ha na zu na-anọ n'etiti ahịrịokwu. Ha nke 69 na ha nke 66 na 67 abụghị otu ihe. Ha nke 69 pụtara na ọ gaghị ete aka ihe a na-atụ anya ya emee.

71a E mee anyị abịata kọrọwa.

b Ụbọchị ọzọ anyị bịata mewe.

Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na ta na-anọ sọ n'etiti ahịrịokwu.

72a Ọ bụ tọkwa nke Ngozi ka ọ bụ.

b Ube ahụ bụ nke gị tọkwa.

Ọmụmaatụ ndị a gosịrị na nsokwunye tọkwa, nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.

73a Ritọpụ nri ahụ.

b Gatọpụ ebe ị na-aga.

ch I mee gị metọpụ ya.

74a Bịakwụba ahịa taa.

b Ị bịakwụba ahịa gị zụrụ azụ.

75a Nyekwuo m ịtalị ahụ biko.

b Sakwuo efere ahụ.

76a Nyekọọ m akpa ndị ahụ.

b Rikọọ nri ahụ.

ch Werekọọ ọka ndị a.

Ọmụmaatụ 73-76 na-egosi na nsokwunye tọpụ, kwụba, kwuo na kọọ na-anọ n'ime ma ọ bụ etiti ahịrịokwu.

77a Ngị sọ ga-enye mmadụ ego.

b) Ị bọọla chi sọ.

Ọmụmaatụ ndị a nsokwunye sọ nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ ngwụcha ahịrịokwu.

Ọmụmaatụ ndị a na-egosi na nsokwunye nwere ike iwere ọnọdụ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu. Nsokwunye ụfọdụ nwere ike ịnọ na mbido ahịrịokwu. Nsokwunye ndị e ji maa atụ dị ka a hụrụ na nọmba 37ch (fụụ), 42a kwa, 45a kaa, 47ch nnọọ, 54ch kwanụ, 61a sọọ, 62b kịịtị, na 66b ha. Ihe nke a pụtara bụ na nsokwunye nwere ike ibido ahịrịokwu. Ya bụ ọnọdụ nsokwunye n'ahịrịokwu Igbo nwere ike ịbụ na mbido, n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu.

E nwere nsokwunye ndị na-atapado n'etiti isingwaa na mgbakwunye nsonazụ. Egenti (2011:106) gosiri na kwa dị na nwekwara bụ nsokwunye dị n'etiti isingwaa na mgbakwunye. N'ịkwado nke a, ọmụmatụ ndị a: chọkwara, mekwuru, bịakwara, futọọ la, gwatọọ la emekwaghị, wezuga, biakwubaghị, chụzuga dg. bụcha nsokwunye isingwaa na mgbakwunye. Ihe ọ pụtara bụ na nsokwunye kwa, kwu, zu dg. nwere ike ịtapado n'etiti isingwaa na mgbakwunye.

E leruo anya a ga-ahụ na ọtụtụ nsokwunye na-anọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu. Iji kwado nke a, Emenanjo, Okolie na Ekwe (2004:48) kwuru na nsokwunye nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu. Nsokwunye ndị a: fụ, kwa, nnọọ, sọọ, kịtị, dị ka a hụ n'ọmụmaatụ nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu, mbido, etiti ma ọ bụ ngwụcha. Ọmụmaatụ nsokwunye dịka, cha, dụ, ga, kọ, ri, dị, nụ, sị, zi, gachu, hu, te, dg. nwere ike ịnọ n'etiti ma ọ bụ na ngwụcha. Ha anaghị anọ na mbido ahịrịokwu.

Nsokwunye nwere ike ịbụ nsokwunye etiti (*endoclitics*). Nsokwunye etiti bụ nsokwunye na-anọ n'etiti ahịrịokwu. O nwere ike kwụrụ onwe ya ma ọ bụ dabere n'okwu ọzọ dị ka ngwaa. Ọ dabere n'okwu ọzọ ma ọ bụ kwụrụ onwe ya; ọ bụ okwu nọ ya n'ihu ma ọ bụ n'azụ na-enye ya nghọta ma ọ bụ ewepụta nghọta ya. Nsokwunye ndị a: cha, dụ, fụ, gà, gá, kọ́, kò, kwa, ri, kwu, nnọọ, nụ, sị, zi, nwa, kwanụ, godu, hu, hụ, tụ, tọ, te, sọọ, kịịtị, tọọ, ha, zu, ta, tọkwa, kwuba, go, kene, dg. nwere ike ịbụ nsokwunye etiti mgbe ha nọ n'etiti ahịrịokwu. N'ọmụmaatụ ndị a hụrụ na nchọcha a, nsokwunye ndị nọ n'etiti ma ọ bụ ime n'ahịrịokwu buru ibu karịa ndị ọzọ. E nwere ike iji nsokwunye kwuo okwu dị otu a bịakwa, mekwa, mekwuo, dg. A gaghị asị na nsokwunye ndị a abụghị nke etiti n'ihi ọ bụghị ha mechiri ahịrịokwu. Okwu ndị a bụ nkebiokwu nghọta ha apụtaghị ihe. Ya bụ, e kwesịrị tinyekwu ha okwu ọzọ ka nghọta ha wee pụta ihe.

Ọtụtụ nsokwunye ka ọnọdụ ha bụ sọ n'etiti. Ihe ọ sọrọ sị mee, n'etiti ka ha na-anọ. Ịmaatụ nsokwunye ọnọdụ ha na-abụkari n'etiti: ga, tụ, tọ, nụnta, tọọ, kete, ka, ha, zu, ta, kọọ, dg. E nweghị ihe a ga-eme nsokwunye ndị a, ha anọrọ na mmalite ma ọ bu na njedebe ahịrịokwu. E nwere nsokwunye ndị na-anọ naanị na njedebe ahịrịokwu. Ịmaatụ - hụ.

Nsokwunye ndị bidoro ahịrịokwu e ji maa atụ na-eso okwu si na nkejiasụsụ dị iche iche dị ka aha, nnọchiaha, njụajụjụ, ngwaa dg. Fụụ (37ch) na-eso nnọchiaha 'ị', kwa (42a) na-eso aha 'ike', kwanụ (54ch) na-eso nnọchiaha, 'gị' (42d) na-eso nkwuwa 'ọsọọsọ', (45d) na-eso ngwaa 'mee', ihe nke a na-akọwa bụ na nsokwunye nwere ike ịnọ tupu nkejiasụsụ ọ bụla. Mana ọ bụrụ na e leruo anya n'ọmụmaatụ ndị e nyere, a ga-ahụ na nsokwunye na-eso nkejiasụsụ ndị ọzọ abụghị sọ aha na ngwaa. Nsokwunye na nkejiasụsụ ndị ọzọ nwere ike ịgakọ.

Na nsokwunye etiti, nsokwunye nwere ike iso aha, nnọchiaha, ngwaa, dg. N'ọmụmaatụ ndị a: 37a, 38a, 41b, 42b, 43a, 44a, 44ch, 45ch, 49ch, 53a, 67a, 68, 69,71 na 73 nsokwunye na-esote ngwaa ozugbo ozugbo. N'ọmụmaatụ 39, 40, 58a, 59, 64a, 66, 76a, nsokwunye na-eso nnọchiaha ozugbo. N'ọmụmaatụ: 48ch, 49a, 51a, 51b, 52ch, 55b, 56a, 58b, 74, 76ch nsokwunye na-eso aha ozugbo. Na nsokwunye etiti, nsokwunye na-eso ngwaa ozugbo ozugbo ka ndị na-eso nkejiasụsụ ndị ọzọ. E nwere nsokwunye ndị na-eso njụajụjụ mana ha adịghị ọtụtụ.

**Agwa nsokwunye na-akpa**

Ọ dị agwa dị iche iche nsokwunye na-akpa, o ji dị iche na ngwaa na mgbakwunye. Okafọ na Ewelukwa (2008:180) kwuru na nsokwunye nwere ike iso nkejiasụsụ ndị a: aha, nnọchiaha, ngwaa, njụajụjụ na nrụaka. Emenanjo (1996) dere na nsokwunye nwere ike iso nkejiasụsụ niile ma e wepụ mbuụzọ. Nke a pụtara na nsokwunye enweghị ike iso nkejiasụsụ mbuụzọ. Emenajo, Okolie na Ekwe (2004) kọwara na nsokwunye nwere ike ịnọ n'ebe ọ bụla n'ahịrịokwu. Nsokwunye na-ejikarị mgbochiume ebido. (Emenanjo, Okolie na Ekwe, 2004). Nke a bụ eziokwu n'ihi na nsokwunye niile arụtụrụ aka na nchọcha a jicha mgbochiume wee bido. Ịmaatụ: cha, dụ, fu, kwa, nụ, nnọọ, to, tọ, kwu, zu, dg. E wepụ "oo" ọ rara ahụ ịhụ nsokwunye ji ụdaume wee bido.

Nsokwunye e nwere n'Igbo, ma n'olundị ma n'Igbo izugbe buru ibu ma na ha ebukarịghị nsonaazụ. Nsokwunye abụọ ma ọ bụ atọ dị iche iche ma n'ụda ma na nsupe nwere ike inye otu nghọta. Ịmaatụ: bịakene na bịagodu pụtara otu ihe.

Nsokwunye nwere ike ịtapado n'okwu ma ọ bụ nọọrọ onwe ya. Mana ọ bụ okwu ọ nọdebere ga-ewepụta nghọta ya. Nsokwunye enweghị ike inwe nghọta n'onwe ya. E wepụ nsokwunye n'ahịrịokwu, ahịrịokwu ahụ ga-ezukwa oke. Ọ gaghị emebi ahịrịokwu ahụ, kama ọ gaghị ewepụtacha nghọta ma ọ bụ mgbatị echiche dị n'ahịrịokwu ahụ. Ọmụmaatụ niile e nyere na nchọcha a gosịrị nke a. Ka e were ọmụmaatụ kwado echiche anyi gbasara ahịrịokwu nwere nsokwunye na nke e wepụrụ nsokwunye iji gosi na ahịrịokwu agaghị emebi dị ka ahịrịokwu ma e wepụ nsokwunye.

Ọmụmaatụ.

| 77 | **Ahịrịokwu nwere nsokwunye** | **Ahịrịokwu e wepuru nsokwunye** |
|---|---|---|
| a | Akwụkwọ niile a cha gbara ọkụ | Akwụkwọ niile a gbara ọkụ |
| b | Gịnị dụ bụ nke a? | Gịnị bụ nke a? |
| ch | Ndị a fu nụrụ ihe i kwuru | Ndị a nụrụ ihe i kwuru |
| d | Nye ga m mma | Nye m mma |
| e. | Tinyekwa ya ji | Tinye ya ji |
| f | Ị nụrụ ya rị, ị gwaghị m | Ị nụrụ ya, ị gwaghị m |
| g | Ngịkwu na-eme ihe a | Ngị na-eme ihe a |
| gb | Biko ka, egbula ya | Biko egbula ya |
| gh | Ụgwọ ego ole dụ ka m ji gị | Ụgwọ ego ole ka m ji gị |
| gw | Ihe a nnọọ ka o mere i ji tie ya ihe | Ihe a ka o mere i ji tie ya ihe |
| h | Ọ gwụla nnọọ ihe i riri taa | Ọ gwụla ihe i riri taa |
| i | Biko nụ hapụ ya | Biko hapụ ya |
| ị | Kedụ si ihe ndị ọ gwara gị | Kedụ ihe ndị ọ gwara gị |
| j | Onye zi mere nke a | Onye mere nke a |
| k | Gị, nwa bịa ebe a | Gị, bịa ebe a |
| kp | Keekwanụ maka Ijeoma | Kee maka Ijeoma |
| kw | Bịagodu echi | Bịa echi |
| l | Nye ya hụ tupu m bịa | Nye ya tupu m bịa |
| m | Wetatụ ube ma ị na-abịa | Weta ube ma ị na-abịa |
| n | Ya bụ ọ tọ gị na-eme ihe a | Ya bụ ọ bụ gị na-eme ihe a |
| ṅ | Akwụ ndị a bụ ga nke m | Akwụ ndị a bụ nke m |
| nw | Ugochi te gara ubi | Ugochi gara ubi |
| ny | Achọrọ m ịsị gị nye m efere sọọ | Achọrọ m ịsị gị nye m efere |
| o | Bịakete nso | Bịa nso |
| ọ | Ihe nụ nta ka o mere ọzọ | Ihe nụ ka o mere ọzọ |
| p | Ọjị anwụtọọla ma ha amaghị | Ọjị anwụọla ma ha amaghị |
| r | Nkechi ga ha abịa | Nkechi ga-abịa |

| | | |
|---|---|---|
| s | Nwaanyị ta ị gbalịala | Nwaanyị ị gbalịala |
| sh | Wezuga nke ahụ n’akụkụ | Wega nke ahụ n’akụkụ |
| t | Ndị a ha bụ nke m | Ndị a bụ nke m |
| u | Abịaghịkwa m ebe a igwu egwu | Abịaghị m ebe a igwu egwu |
| ụ | Ọ bụ tọkwa efe gị ka ọ bụ | Ọ bụ efe gị ka ọ bụ |
| v | Ritopụ nri ahụ | Ripụ nri ahụ |
| w | Mekwuba garị ka anyị rie | Mee garị ka anyị rie |
| y | Asị m na ị makwubughị nke bụ nke | Asị m na ị maghị nke bụ nke |
| z | Nyego m akwụkwọ ahụ biko | Nye m akwụkwọ ahụ biko |

Site n’ọmụmaatụ ndị a, a ga-ahụ na e wepụ nsokwunye n’usorookwu,ahịrịokwu ka na-adị mma. Site na ngosi anyị n’ahịrịokwu ndị nsokwunye dị, nsokwunye mere ka ahịrịokwu gosi ihe ịtụnanya, ntinyekwu, mkpa ihe dị, dg. E wepụrụ nsokwunye, usorookwu ma ọ bụ ahịrịokwu agaghị agbasasị ma ọ bụ mebie. Ahịrịokwu niile ahụ zuru oke mana mwepụ e wepụrụ nsokwunye ndị ahụ mere ka nghọta e nwere ghara ịpụtacha ihe.

Ahịrịokwu nwere ike izu oke ma nsokwunye ọ dị n’ahịrịokwu ma ọ dịghị ya kama, ọ bụrụ na nsokwunye kwesịrị ịdị n’ahịrịokwu mana e tinyeghị ya, nghọta ahịrịokwu ahụ agaghị agbatịcha ka o kwesịrị. Ọ pụtakwara na e nwere ike imebe ahịrịokwu n’etinyeghị ya nsokwunye.

**Nkejiasụsụ ndị ha na nsokwunye nwere ike ịgakọ n’Igbo**

A na-edekọ nsokwunye mgbe a sọkwunyere ya na ngwaa; n’ọnọdụ ndị ozo, a na-edesa nsokwunye edesa. Ka anyị were ọmụmaatụ tụlee nsokwunye na nkejiasụsụ dị iche iche:

**Ọnọdụ nsokwunye na aha n’Igbo**

78 Kwa Ike ka m na-agwa
79 Ike kwa ka ị na-agwa
80 Kwa Uche bịara
81 Kwa Chika gwara gị
82 Ụlọ cha ka i nyere ya
83 Uchechi nụ mere ya
84 Kwanụ Chika bịa taa echi, ọ laa
85 Ụnụ nwa ga-eme ya
86 Ibe tọkwa ka ọ dị n’aka
87 Ifeoma ri ka ị na-ekwu
88 Ibe soo ka m na-ekwu ọ bụghị Obi
89 Uche kaa hapụ ya
90 Kaa Uche hapụ ya
91 Nnọọ Chika ka ị chọrọ
92 Chika nnọọ ka ị chọrọ
93 Ha Igbokwe kwuru ya aghọtala m
94 Fụụ Uche bịara ka ọ gaa
95 Igbokwe ha kwuru ya a m ghọta
96 Uche fu nyere ya

Ntule ndị a site 78-96 gosịrị na nsokwunye na aha na-agakọ. Nsokwunye nwere ike ịnọ n’ihu ma ọ bụ n’azụ aha.
Nsokwunye dị ka kwa, kaa, nọọ, ha, fụ, dg. nwere ike ịnọ n’ihu ma ọ bụ azụ aha.

**Nsokwunye na nnọchiaha**

97 Ị ka sị Uche mere njọ
98 Ọ kwa gị ka m hụrụ n'Aba
99 Ụnụ nụ ka m na-arịa
100 Ya nụ ji ego ahụ
101 Ọ to efe Uche ka anyị hụrụ
102 Ọ tọkwa nwa gị ka ọ bụ
103 Ọ zi gị ga-ede ya
104 Ụnụ kwu so eri
105 Ha ri gburu ya

Nsokwunye na-abịakarị ma nnọchiaha gachaa.
Nsokwunye nwere ike ịnọ n'etiti nnọchiaha abụọ dị ka anyị hụrụ n'Ọ kwa gị, - 98 Ọ zi gị – 103 dg.

**Nsokwunye na ngwaa**

106 Kaa, kwere gaa ahịa
107 Nyegodu m ube
108 Lekwa nwa ahụ
109 Tinyekwa ose na nri ahụ
110 Bịanụ echi
111 Nyega ya mma
112 Bịahụ echi
113 Wetatụ
114 Gwato ya ihe m kwuru
115 Meekwanụ ihe ọ gwara gị
116 Uche bịakwara be m

Nsokwunye nwere ike ịbịa tupu ngwaa dị ka a hụrụ n'ọmụmaatụ ndị dị elu. Ngwaa nwere ike gachaa nsokwunye abịa, ngwaa ọzọ esote dị ka ọ dị n'ọmụmaatụ 96, 100, 104, 105 dg. N'ọnọdụ a, nsokwunye na-anọrọ onwe ya. Mana n'ebe ndị ọzọ nsokwunye na-atapado na ngwaa. N'ebe e nwere nsokwunye n'etiti ngwaa na nsonaazụ ọ bụrụ na edesaa ngwaa na nsokwunye a ga-eso desaa nsonaazụ ahụ, mgbe ahụ ọ gaghị adaba etu o kwesịrị. Nke a so n'otu ihe o ji dị mkpa na a ga-edekọ ngwaa na nsokwunye ọnụ.

Ọ bụrụ na a na-edesa ngwaa na nsokwunye edesaa, a ga-ede okwu a bụ: bịakwara etu a: *bịa kwa ra. Mgbe ahụ ọ gaghị adaba. Ọzọ bụ na, etu ahụ ọ na-abụ e wepụ nsokwunye n'okwu ma ọ bụ ahịrịokwu ọ naghị agbakasị, kama ihe ọ na-eme bụ, ọ gaghị agbatị echiche a chọrọ. Ya bụ, n'okwu a bụ bịakwara, ọ bụrụ na a na-edesa ngwaa na nsokwunye, e wepụ nsokwunye ihe a ga-enweta bụ bịa ra. N'ebe a,bịara kwesịrị ịbụ otu okwu bụ zi okwu abụọ. N'ụzọ dị etu a, okwu abụọ "bịa" na "ra" enweghị nghọta a chọrọ nke bụ bịara.

N'isingwaa na nsonaazụ ya ka e nwere ike itinye nsokwunye. Ya bụ, nsokwunye isingwaa na nsonaazu. Ọmụmaatụ bịakwara, bịakwaghị, mekwuru, takwara, chọkwara, kwugoduru, tatoola, nwụtoola, werekwuola, dg. N'ọmụmaatụ ndị a, e wepu nsokwunye ihe a ga-enweta bụ ngwaa na nsonaazụ ya. Na bịakwara, e wepu nsokwunye (kwa) ihe ga-afọ bụ bịa + ra → bịara, n'ọmụmaatụ bịakwaghị, e wepụ nsokwunye (kwa) ihe ga-afọ bụ bịa + ghi → bịaghị. N'ọmụmaatụ mekwuru e wepụ nsokwunye (kwu) ihe ga-afọ bụ me + ru → meru 'olundị'. N'ọmụmaatụ kwugoduru, e wepụ nsokwunye, ihe a ga-enweta bụ isingwaa na nsonaazu kwu + ru → kwuru. N'ọmụmaatụ, tatoola, e wepụ nsokwunye too

Ihe a ga-enweta bụ ta + la → taala, nwụtọọla = nwụọ + la → nwụla (nwụọla). N'ọmụmaatụ ndị a, ebe e nwere nsokwunye ụdaume abụọ na-esote onwe ha ozugbo ozugbo, ewepụ nsokwunye, a na-ewere ụdaume ọzọ dabara na ndakọrịta ụdaume nke nọ na ngwaa ahụ tinye ka nghọta were pụta ihe. Dịka a hụrụ na tatọọla (taala), nwụtọọla (nwụọla), dg.

**Nsokwunye na nrụaka**

117 Akị a cha ka ị tara
118 Gịnị bụ nke a dụ
119 Ihe a nnọọ ka i ji aka
120 Nwa a godu ka m chọrọ ka ị kpọpụ
121 Ndị ahụ zi ka ị hapụụrụ m
122 Akwụ ndị ahụ cha ka ị tara
123 Ụgbọala ahụ cha ka o nwe.

N'omumaatụ ndị a, nrụaka bu ụzọ nsokwunye na-eso ya. Ọ rara ahụ nsokwunye ịbịa tupu nrụaka.

**Nchịkọta na mmechi**

Nsokwunye bara uru n'asụsụ Igbo. N'agbanyeghị na ọ naghị emebi usorookwu ma ọ bụ ahịrịokwu ma e wepụ ya, mwepụ ya na-eme ka nghọta a chọrọ izipụta ghara ịpụta ihe. Nsokwunye abụghị ngwaa n'ihi ọ naghị enwe nghọta ma ọ nọọrọ onwe ya. Mana ngwaa na-anọrọ onwe ya nwee nghọta aka ya. E nwere nsokwunye ndị yiri ngwaa ma ha nọọrọ onwe ha ma n'okwu ma ọ bụ ahịrịokwu e tinyere ha, ha ga-egosi na ha abụghị ngwaa. Ịmaatụ,cha dị ka nsokwunye na "cha" dị ka ngwaa, ihe chara acha dị ka oroma, ụdara 'cha' dị ka ibe ihe dị ka akwa, ịcha akwụkwọ nri. "Cha" nke ụdara na "cha" nke akwa bụcha ngwaa mana "cha" nke nsokwunye abụghị ngwaa. Ọmụmaatụ ube ise "cha" ka i nyere m. Nsokwunye e jiri maa atụ yichara ngwaa mana ha abụghị ngwaa. E nwere ngwaa ndị dị etu ahụ mana nsokwunye abụghị ngwaa. Ọ bụghị ihe ngwaa ndị ahụ pụtara ka nsokwunye ndị ahụ pụtara.

Nsokwunye nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrịokwu; ihu, etiti na azụ. O nwere ike ịnọ n'etiti isingwaa na nsonaazụ di ka: bịakwara, rikwara, wezuga. Mgbe nsokwunye nọ tupu ngwaa anaghị edekọ ya edekọ, Ịmaatụ,'Kaa egbula ya'.

Nsokwunye nwere ike iso nkejiokwu ndị a: aha, nnọchiaha, njụajụjụ, ngwaa dg. Nsokwunye nwere ike ibido ahịrịokwu nkejiasụsụ ndị ọzọ dị ka, aha, nnọchiaha, nkwuwa, ngwaa dg esote. Mana a chọpụtara na nsokwunye ka eso aha na nnọchiaha karịa nkejiasụsụ ndị ọzọ.

Na nsokwunye etiti, okwu dị ya n'ihu ma ọ bụ n'azụ na-ewepụta nghọta ya n'ihina nsokwunye anaghị enwe nghọta ma ọ kwụụrụ onwe ya.

Ọnọdụ nsokwunye n'ahịrịokwu Igbo na-egosi ụdị nsokwunye ọ bụ. Ọ bụrụ na ọ nọrọ n'ihu, nsokwunye ihu ka ọ bụ. Ọ bụrụ na ọ nọrọ n'etiti, nsokwunye etiti ka ọ bụ, ọ nọrọ n'azụ, nsokwunye azụ ka ọ bụ. Ọ tapado n'etiti ngwaa na nsonaazụ, ọ bụrụ nsokwunye isingwaa na nsonaazụ ngwaa.

E nwere nsokwunye ndị enweghị ike ịnọ na ngwụcha ma ọ bụ na mbido kama n'etiti. E nwekwara nsokwunye ndị na-anọ sọ n'etiti na ngwụcha. E nwekwara nsokwunye ndị enweghị ike ịnọ ebe ọzọ abụghị na ngwụcha. Dị ka anyị hụrụ n'ọmụmaatụ 57.

Nsokwunye dị mkpa n'asụsụ Igbo n'ihina ọ na-eme ka nghọta gbatịa ma na-achọkwa okwu Igbo mma. Ya mere, ọ dị mkpa ka e mekwuo nchọcha gbasara nsokwunye n'olundị dị iche iche.

## Edensibịa


Egenti, M.C. (2011). The morphosemantics of the Igbo clitics kwa. N'Uchechukwu C. (ọhz.). *Igbo language studies series 4 eụtensional suffixes and clitics in Igbo*. ihu 101 – 118.

Emenanjo, E.N. (1978). *Elements of modern Igbo Grammar*. Ibadan: University press.

Emenanjo, E.N. (1982). Suffiụes and enclitics in Igbo.N'Ogbalu F.C. & Emenanjo E.N. (ọhz.) *Igbo language and culture vọl. 2 ihu* 132-167. Ibadan: University press.

Emenanjo, E.N. (1996). *Standard Igbo spelling nsùpe Igbo ìzùgbe A practical guide.* Aba: Unique press.

Emenanjo, E.N., Okolie, O.O. & Ekwe, B.U. (2004). *Igbo maka siniọ sekọndịrị 2*. Ibadan: University press.

Ezeomeke, S.O. (2004). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy-quality Press.

Nwaozuzu, G.U. (2008). *Dialects of Igbo language.* Nsukka: University of Nigeria press.

Ndimele, O.M. (2003). *Morphology and syntax*. Portharcourt: Emhai press.

Nweze, I.M. (2011). Extensional suffixes and clitics in Igbo language: A morpho-semantic analysis. N'Uchechukwu C. (ọhz.). *Igbo language studies series 4 Extensional suffiụes and clitics in Igbo*, ihu 89-100.

O'Grady, W. & Guzman, V. (2009). Morphology: the analysis of word structure. N' O'Grady W. & Archibald J. (ọhz.). *Contemporary Linguistics analysis: an introduction*, ihu 131. Toronto: Pearson Longman.

Okafọ, C.U. & Ewelukwa, U. (2008). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule siniọ sekọndịrị na kọleeji W.A.S.S.C.E., N.E.C.O., G.C.E., J.A.M.B.* Onitsha: A.C. Global publishing co.